# IJÉOZI NKE NDỊ LIVAI
## Ọnu-ọgugu 3:5-17, 21-45; 4:1-15, 24-33
## IHE ỌMỤMỤ 90 – Nke NdỊ-etiti

**AMAOKWU IBUN'ISI: "Ihe ọ bụla unu nēme, nālunu ọlu site na nkpuru-obi-unu, dika unu nāluru Onye-nwe-ayi ọlu, ọ bugh kwa madu" (Ndi Kọlọsi 3:23).**

**Inyeaka nye Ndị nchụàjà**

Chineke akpọwo Eron na ụmụ ya ndịkom anọ ịbụ ndị nchụàjà, ka ha wee fee Ya òfùfè nime Ebe Nsọ nke Ụlọikwuu. Ma ụmụ ndịkom abụọ, Nedab na Abaihu anwụworị n'iru Jehova n'ihi na ha wetara nso ọkụ ala ọzọ n'òfùfè ha. Ọ bụ náání Eron, Eleeza na Itama fọdụrụ; ma ha apụghị ịlụsị ọlụ niile dị mkpa ka alụọ n'ilekọta Ụlọikwuu na ịchụ ọtụtụ àjà, ka ọ fọdụ kwa iweda ụlọikwuu niile na iwuli ya elu ọzọ oge ọ bụla ụmụ Israel buliri ijè. Ihe nsọ niile – Igbe Ọgbụgba-ndụ, ya na cherubim dum, ebe ịchụàjà nke ọlaedo, ihe ịdọba oriọna nke ọlaedo, tebul nke a na-edebe achịcha a na-eche n'iru Chineke, ebe ịchụàjà nke ọla, na ebe ọsịsa mmiri ka a ga-eburu. Ọ ga-ewe ọtụtụ ndịkom ibu arịa ndịa ndị arọ. Ọ bụ kwa ezie na ha nwere ihe eji ebu ibu iji buo ibo ọlaedo ekpuchiri ekpuchi na ákwà mkwụba nke Ụlọikwuu, ma o were ọtụtụ ndịkom iji nlezianya jide akụkụ dị iche iche nke ebe nsọ ahụ.

Jehova hụrụ na ndị nchụàjà chọrọ inyeaka ya mere O nyere ha ebo Livai ka ha jee ozi a. Ebo a gosịrị rị njikere zuru ókè iji jee ozi Chineke n'ụbọchị ahụ mgbe Moses chere ụmụ Israel akamgbá: "Ònye diri JEHOVA?" Ụmụ Israel emeworị mmehie dị ukwuu n'ikpere nwaehi ahụ awụrụ awụ, Chineke chọkwara ịla ndị ahụ niile n'iyi n'ihi na ha nupụụrụ Ya isi. Ma Moses kpere ekpere dị ike dị kwa ogologo n'ihi ha, Chineke wee kwee ka ha dị ndụ. N'ụzọ pụtara ìhè Ebo Livai enweghị òkè n'ifè òfùfè nke nwaehi ahụ. Chineke wee rọpụta ha ijéozi pụrụ iche nye Ya n'ụlọikwuu ahụ.

**Ekewapụtara ndị Livai**

Chineke gwara Eron ka o mee ka ụmụ Livai dị ọcha ma chụọ kwa àjà pụrụ iche iji doo ha nsọ maka ijéozi. Agwara ha ka ha biri gburugburu Ụlọikwuu na nso ebe Chineke bi. Ha ga-anọ dịka ndị nche n'ihi na ọ bụrụ na onye ọbịa abịaru nso onye ahụ ga anwụ. Chineke chọrọ ka edebe Ebe Nsọ Ya nsọ.

Ụlọikwuu ahụ dị n'etiti ọmụma ụlọikwuu ebe nke ụmụ Israel dị. Ọ bụ ya bụ ihe jikọtara ndụ ụmụ Israel. Òfùfè ha na efè Chineke ga-abụ ihe kachasị mkpà n'ihe niile. O kwesịrị ịdịrị anyị onweanyị otú a kwa. Ọ dị mkpà na anyị ga-alụ ọlụ Chineke nyere anyị ka anyị lụọ karị na anyị ga-eme ihe ná-atọ anyị ma ọ bụ enyi anyị ụtọ. Chineke chọrọ ka anyị hụ ijèozi Ya n'anya site n'obi anyị niile; ma ọ bụrụ na anyị emee nke ahụ, anyị ga na-achọ ime uche Ya mgbe dum. N'ụtụtụ, mgbe anyị na amalite ụbọchị anyị, anyị naekpere Jisọs ka O debe anyị n'ụbọchị ahụ, nyekwara anyị aka ka anyị ghara ime ihe ọ bụla Ọ gaghị achọ ka anyị mee. Ọ bụrụ na ihe ndapụta adapụta n'ụbọchị, anyị ajụọ Ya ma ọ bụ ụche Ya ka anyị mee ya. Emesịa n'abalị anyị ekele Chineke na anyị biri ndụ nke dị Ya ezimma.

**Ọnọdụ nye Ebo Ọ bụla**

Ná nsọtụ ọwụwa anyanwụ nke Ụlọikwuu, ọnụụzọ ama ya ka ebo Juda, Isaka na Zebulum mara ụlọikwuu ha. Ihe pụrụ iche ka elere anya ya site n'aka ebo Juda n'ihi na Jekob bururị amụma sị "Juda, gi onwe-gi umu-nne-gi gēkele gi … Nkpà-n'aka eze agagh-esi n'ebe Juda nọ wezuga onwe-ya, nkpà-n'aka Onye nēnye ukpuru agagh-esi kwa n'etiti ukwu-ya abua wezuga onwe-ya, rue mgbe shailo gābia: ọ bu kwa Ya gēnwe iña-nti ndi di iche iche" (Jenesis 49:8-10). Nke ahụ bụ amụma banyere Jisọs onye ga-abịa dịka Mesaia site n'ebo Juda.

Na ndịda nke Ụlọikwuu ahụ ka ebo Reuben, Simeon na Gad mara ụlọikwuu ha; n'ọdịda anyanwụ ka ebo Efraim, Manase na Benjamin mara ụlọikwuu ha; n'ugwu ka ebo Dan, Asha na Naftali mara nke ha. Efraim na Manase bụ ụmụ ndịkom abụọ nke Josef, ma n'ihi ikwesị ntụkwasịobi nke Josef n'Ijipt, Chineke kwere ya mkwà okpukpu abuọ nke ihe nketa mgbe ụmụ Israel ga-abata n'ala Kenean. Efraim na Manase ga-eketa òkè onye ọ bụla nime ha dịka ụmụnne Josef ketara.

N'ebe ụmụ Israel ndịọzọ gbara gburugburu n'agbata ha na Ụlọikwuu ka ụmụ Livai ha na Eron na ụmụ ya ndịkom mara ụlọikwuu ha na ncherịta iru ọnụụzọ nke Ụlọikwuu. Ụmụ Livai bụụrụ Chineke ndị orù pụrụ iche biri kwa nso n'iru Ya. Ha nọ ná njikere mgbe niile ijéozi mgbe achọrọ ha. Ndị ná-efè Chineke òfùfè karịsịa bụ ndị ahụ na-ebi nso Ya. Ha na-anọ nso Ya ịnụ ihe bụ uche Ya mgbe Ọ na-akpanyere ha ụka, ma ha jikekwara irube isi.

**Chineke weere Ndị Eburu Ụzọ Mụ**

N'abalị ahụ Chineke zipụrụ ụmụ Israel site n'ala Ijipt, mmụọ ozi nke ọnwụ gabigararị n'ala ahụ n'èzínaụlọ niile kwa nwa nwoke eburu ụzọ mụ nwụrụ -- ma agụpụ ebe ọbara dị n'ọnụụzọ. Chineke enyewo ụmụ Israel ụzọ mgbapụ site n'ọnwụ ahụ. Ọ bụrụ na ha ewere nwa-atụrụ gbuo ya, rụọ anụ ya n'ọkụ, rie ya, were ọbara ya fesa

n'awara ibo ọnụụzọ ụlọ ha, mmụọ ozi nke ọnwụ ahụ ga-agabiga. Ọ bụ ebere Chineke mererị ka edebe ndụ nwa nwoke ọ bụla eburu ụzọ mụ n'èzínaụlọ ọ bụla. O wee sị na ha bụ nke Ya site n'oge ahụ. "N'ihi na mu nwe umu nile eburu uzọ mu n'etiti umu Israel, ma n'etiti madu ma n'etiti anu-ulo n'ubọchi M'tigburu umu nile eburu uzọ mu n'ala Ijipt ka m'doro ha nsọ nye onwem" (Ọnu-ọgugu 8:17). Ha ga-anọchita anya èzínaụlọ ha n'òfùfè nke Ụlọikwuu.

**Ndị Livai Kama Ụmụ Eburu Ụzọ Mụ**

Ma mgbe Israel mehiere, Chineke rọọrọ ebo Livai ka o jeere Ya ozi kama ụmụ eburu ụzọ mụ n'èzínaụlọ ọ bụla. "Ma Mu onwem, le, esiworo n'etiti umu Israel were ndi Livai n'ọnọdụ nwa ọ bula eburu ụzọ mu nke nēmeghe àkpà-nwa n'etiti umu Israel, ndi Livai gābu kwa ihe M'nwere" (Ọnu-ọgugu 3:12). Ọtụtụ ugbo mgbe Chineke na-agwa Moses okwu banyere ikuru umu Livai nye onweya. Ọ sị, "Mu onwem bu JEHOVA." Ọ chọrọ ka ndị Israel ghọta na Ya Onweya nwere ikike iwere ndịa nye onweya. Ya onweya bụ Chineke nke Eluigwe na ụwa, O nwekwara ikike ịkpọbata onye ọ bụla Ọ rọọrọ n'ọkwa niile dị nsọ.

Ndị Livai agaghị enwe ihe nketa ọ bụla mgbe ha batara n'ala Kenean ewezuga náánị obodo ebe ha ga-ebi. Ha ga-enweta mkwagida site n'otù ụzọ n'ụzọ iri nke ụmụ Israel ndịọzọ ga-akwụ. Enyere ha ala ga-ezuru ha ilekọta igwè ewu na atụrụ ha nke bụ kwa ihe edoro nsọ nye Chineke kama nwa eburu ụzọ mụ nke igwè ewu na atụrụ nke ụmụ Israel.

**Ngụkọta nke Ụmụ Eburu Ụzọ Mụ**

Ọ dị ngalaba atọ nke ebo Livai ndị Giashon, ndị Merarị na ndị Kohat. Ọ bụrụ na anyị agụkọta ọnụọgụgụ enyere maka èzínaụlọ ọ bụla anyị ga-ahụ́ ngụkọta dị iri puku abụọ na narị atọ (22,300); ma abịa n'amaokwu iri atọ na iteghete enyere ọnụọgụgụ ya dịka puku iri abụọ (22,000). Ihe dị iche n'ọnụọgụgụ ndịa bụ ihe agụkọtara dịka narị atọ, nke sikwa n'ebo Livai ndị bụ kwa ndị eburu ụzọ mụ n'èzínaụlọ ha, ndị bụ ndị ga-abụworị ndị Chineke wezugara ma ọ bụrụrị na arọpụtaghị ndị Livai maka ijéozi n'Ụlọikwuu. Ya mere agaghị agụ ha dịka ndị ná-ewere ọnọdụ ndị eburu ụzọ mụ n'èzínaụlọ ndịọzọ. Ụmụ eburu ụzọ mụ dị puku iri abụọ na-abụọ na narị abụọ na iri asaa na atọ (22,273) n'Israel, ma náánị puku iri abụọ na abụọ (22,000) bụ ndị Livai, ya mere narị abụọ na iri asaa na atọ (273) fọdụrụ ka edochiri ọnọdụ ha n'ụzọ ọzọ. Chineke gwara Moses na ụmụ Israel pụrụ ịkwụbata ego ụfọdụ nime ụlọakụ ka ewere gbapụta nwoke ọ bụla onye ná-enweghị onye Livai nọchitara anya ya. Anyị amataghị onye ná-akwụ ego ahụ; eleghịanya ọ ga-abụ na-ekèrè ya nye onye ọ bụla n'etiti mkpọkọta ahụ.

**Usoro Njèm**

Chineke na-ahụ́ na edoro ihe niile n'usoro nime nzukọ Ya. Ọ gwara ndị Livai ihe ha ga-abụ nnọọ. Ha ga-enyere ndị nchụàjà aka n'ijéozi nke Ụlọikwuu ma lekọta kwa ihe niile eji dozie Ụlọikwuu. Ma mgbe ndị Israel buliri ijè, òtù ọ bụla nwere ọlụ ha ga-alụ n'iwedata Ụlọikwuu ahụ na iweli ya elu n'ebe ọzọ ha ga-eweli ya.

Mgbe agwara ụmụ Israel ka ha bulie ijé n'usoro, Eron na ụmụ ya ndịkom na-abà n'Ụlọikwuu were ákwà emere iji dozie Ụlọikwuu, kwụda ákwà mgbochi nke kewapụrụ Ebe Nsọ Kachasị Ebe Nsọ niile ma mee ka o kpuchie Igbe ọgbụgba-ndụ ahụ ma were kwa ihe mkpuchi akpụkpọ seal kpuchi kwasị ya. Emesịa ha ekpuchie ebe ịchụ àjà niile na ihe ịdọba oriọna, tebul nke irum, na iko nke ihe nwụsị àjà ihe ọñụñụ, ọkwa ihe ịgụ-ọkụ ya niile na ngaji niile. Edoziri ihe niile maka mbuli ijè ha.

Ndị Kohat na-abata mgbe emesịrị wee chịkọta oche nsọ niile, nwoke ọ bụla buru ibu nke ekenyere ya ka o buru n'ubu ya. Ndị nchụàjà ga elezianya ịhụ́ na ekpuchiri ihe niile n'ihi na ọ bụrụ na ndị Kohat metụrụ ihe a na-ekpuchighị ekpuchi aka, ha ga-anwụ. Eleeza, otù onye nime ndị nchụàjà, leziri anya ná-eche nche ịhụ́ na emeziri ihe niile mee kwa ha n'usoro.

Ndị Giashon lekọtara ákwà mkwuchi na ákwà ngechi niile. Ngwa ngwa ndị Kohat bupụrụ ihe nsọ niile, ndị Giashon amalite iwepụ ákwà mkwuchi niile nke gbara ogige gburugburu na nke eji mee ọnụụzọ niile. Ha wepụrụ ákwà mkpuchi nke eji wuo Ụlọikwuu: ezi ákwà mkpuchi ọcha akpara akpa nke eji kpuchi ime ya, ákwà mkpuchi eji ajị ewu mee, nke eji akpụkpọ ebulu eji uhie nụjie, na nke ihe mkwuchi akpụkpọ seal. Itama bụ onye nlekọta ọlụ a o lezikwara anya na ejiri nsọpụrụ jide ákwà mkwụchi niile.

Itama lekọtakwara ọlụ nke mkwụdata ihe mkpuchi nke ọlaedo nke Ụlọikwuu. Ọ bụ ụmụ Merari ka ekenyere akụkụ ọlụ a. Ibo ọ bụla ka a ga-ewepụ n'ụkwụ ya, nwoke ọ bụla kwa maara akụkụ nke Ụlọikwuu Chineke ọ ga-eburu. Ibo ha niile dị arọ, ma ebe onye ọ bụla na-alụ ọlụ nke dịịrị ya emere ka ụlọ Chineke bụrụ ihe ebupụrụ ná emebighị ihe ọ bụla.

Ụmụ Giashon na ụmụ Merari soro ebo Juda n'azụ bụ ndị nọ n'isi n'usoro ọpụpụ ahụ. Ngwa ngwa Igweoji ahụ nke ná-edu ha guzoro, ná-egosi na Chineke chọrọ ka ụmụ Israel maa ụlọikwuu ha, ha na-eme ngwa idozi Ụlọikwuu ahụ were kwa ihe mkpuchi kpuchi ya. Tupu ụmụ Kohat bụ ndị soro ebo nke atọ n'azụ ga-abịaru, Ụlọikwuu ahụ ga-abụworị ihe ejikere idozi.

**Chineke Abụghị Onye ná-eweta Ọgba Aghara**

Chee ụdị Ọgba aghara ga-adịworị mgbe ụmụ Israel malitere ibuli ijè ma ọ bụrụ na enwetaghị ntụziaka ebe ha ga-ama ụlọikwuu ha na otú ha ga-esi jee njèm n'usoro. Chineke arọpụtaworị Moses na Eron ka ha duo ndị ahụ, ha aghaghị kwa irubeisi n'ihe ndị ahụ niile nke dị ka ha dịkarịsịrị ntà: ebe a ga-ama ụlọikwuu, ebe aga ejé na mgbe a ga-ebuli ijè. Ma ihe ahụ niile nke "dịkarịsịrị nta" bụ ihe mere ka ọmụma ụlọikwuu Jehova dị n'usoro.

Chineke na-akpọ mmadụ ịbụ ndịozi Ya, ha nwekwara ọlụ dịnsọ ha ga-alụrụ Ya. Mgbe ụfọdụ ndị mmadụ na-eche na ha maara karịa ndịozi ha n'ime ihe ụfọdụ, ma isi ike ha adịghị atọ Chineke ụtọ. Ọ chọrọ ka ijèozi Ya na ọlụ Ya ná-aga n'usoro. Ọ na-ajụta kwa ihe ahụ n'aka onye ahụ O nyere ya n'aka ka o mezie.

Ka anyị kpee ekpere n'ihi ndị ndú anyị ma nyere ha aka n'ijéozi nke Onyenzọpụta anyị. Ọ bụrụ na anyị ekwesị ntụkwasịobi n'ihe Chineke nyere anyị ka anyị mee, ọ bụ ezie na anyị ga-eche na ọ bụ ọlụ dị ntà, Ọ ga-enye anyị ụgwọọlụ anyị n'ụbọchị ahụ Ọ ga-abịa inye ụmụ Ya ụgwọọlụ ha.

**AJỤJỤ DỊ ICHE ICHE**

1. Òlee ndị bụ ụmụ Livai?
2. Gịnị mere Chineke jiri rọpụta ha ijéozi nke Ụlọikwuu?
3. Gịnị mere Chineke jiri rọrọ ụmụ eburu ụzọ mụ ka ha bụrụ nke Ya?
4. Kpọọ aha agbụrụ atọ nke ụmụ Livai
5. Gịnị bụ ọlụ nke agbụrụ ọ bụla?
6. Òlee ebe ụmụ Giashon na Merari na-esonye n'usoro njèm ha? Gịnị kpatara nke a?